# OMEN’ALA NKE MMADỤ KÀỌ̀BỤ̀ IHE CHINEKE NYERE N’IWU?

## Matiu 15:1-20

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 95 – Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN’ISI: “Ayi aghagh ikwenyere Chineke kari madu” (Ọlu Ndi-ozi 5:29).**

**Ịchọpụta Ndahie**

Ụfọdụ Ndị Farisii na ndị ode akwụkwọ jekwuru Jisọs n’ịhị na ndị náesoụzọ Ya adịghị erubeisi n’omen’ala nke ndịokenye. Ndị Farisii bụ ndị náefe òfùfè bụrụ kwa ndị náekpeekpere site n’ụdị ememe dị icheiche, ha náekwugide kwa ndị náesoụzọ Jisọs n’ihi na ha adịghị eme otú ahụ.

Ọ̀zịzá nke Jisọs nye ha bụ ajụjụ banyere omume nke ha onweha. Ụdọfụ mmadụ naeme ọsọsọ ịchọpụta agazighị nke ndịọzọ ebe ha onweha, adịghị eme ihe ziriezi. “Gini mere iji le irighiri ahihia nke di n’anya nwa-nna-gi, ma ị tugharigh uche na ntuhie nke di n’anya nke gi?” (Gụọ Matiu 7:3-5). N’oge nke ọzọ (Jọn 8:3-1) ndị odeakwụkwọ na ndị Farisii kuuru otù nwanyi ejidere mgbe ọ naeme mmehie wee bịakute Jisọs. Ha sịrị na dịka iwu nke Moses si dị, na nwanyị ahụ kwesịrị ka atụọ ya nkume. Jisọs sịrị ha, “Onye akēmehiegh n’etiti unu, ya buru ụzọ tu ya nkume.” Okwu ahụ mara ha ikpé n’ihi mmehie nke dị na ndụ ha, ha wee pụọ. Jisọs gbaghara nwanyị ahụ ma gwa kwa ya ka ọ ghara imehie ọzọ. Obi adịghị atọ Chineke ụtọ n’ebe onye náachọpụta agazighị agazi nke ndịọzọ nọ, bụ onye náachọ ka ndị ahụ hụ́ ahụhụ, ebe onye náebo ebubo ahụ nwekwara mmehie ná ndụ ya n’otù mgbe ahụ.

**Omen’ala nke Ndị okenye**

Ndị Ju naewere na omen’ala ndịa bụ okwu nke Chineke kwuru n’elu Ugwu Sainai – iwu nke Chineke nyere Moses (Ọpupu 31:18). Edeghị omen’ala niile ahụ ede kama ndị bụ nna gwara ụmụ ha, ewee nyefee ha n’aka ndịọzọ rue ọtụtụ ọgbọ. Ọ dị ọtụtụ mgbe agbanwere okwu ahụ ka o wee dị ndị ahụ mma, ma oge náadịghị anya nkọwa nke okwu ahụ wee bụrụ kwa ihe agbanwere. Otú a, atụgharịrị iwu Chineke n’ụzọ ọzọ wee mee ka ụzọ esi efè òfùfè bụrụ ihe emerụrụ emerụ.

Ndị Farisii bụ ndị náanụ ọkụ n’obi n’irubeisi n’omen’ala na òzízí nke mmadụ, ma ha akpọghị iwu niile nke Chineke ihe ọ bụla. Ha chere na ha naerita urù nke imemmụọ site n’ịkwọaka n’ụdị pụrụ iche na n’oge pụrụ iche (Mak 7:3). Ha achọghị ịmata ihe banyere ịdị ọcha kama banyere ememe ha nke ikwọaka.

**Obi Dị Ọcha**

Ọ naewere ihe karịrị ọsịsa nke mmiri iji sachapụ mmehie nke mmadụ na ime ka ọ dị ọcha n’iru Chineke. Ná Jeremaia 2:22 anyị naagụ: “N’ihi na ọ buru na ị ji akanwu sa aru, iwere kwa n’onwe gi ọtutu ncha ma akaworo ajọ omume-gi n’irum, ọ bu ihe si n’ọnu Onye-nwe-ayi JEHOVA puta.”

**“Gịnị gāsachapụ njọm?**
**Náni ọbara nke Jisọs;**
**Gịnị gēme ka m’nwe ndụ?**
**Náni ọbara nke Jisọs.”**

Ná Abù Ọma 24:3, 4, anyị naahụ́ ntozuókè niile nke dịrị mmadụ isoro Onyenweanyị guzoro n’ugwu nsọ Ya – “Onye nwere ọbu-aka abua nēmegh ihe ọjọ, na obi di ọcha.” Mgbe mmadụ chègharịrị wee nwee nwute dịka Chineke chọrọ ma rịọ kwa mgbaghara, ọbara nke Jisọs naasachapụ mmehie na ntụpọ niile nke mmehie site n’obi ná ndụ nke onye ahụ. Omume nke mmadụ naegosi na asachawo obi ya náekwu na ọlụ alụrụ nime naegosi onweya n’ezi maọbụ n’elu.

Okpukpé nke ndị Farisii bụ nááni ebe anaahụ́ anya -- ọ bụghị nime, ebe Baịbụl kụziri na o kwesịrị ịbụ. “Sapu obi-gi n’ihe ọjọ, ka ewe zọputa gi” (Jeremaia 4:14).

**Ikwesị ntụkwasị obi Ezughị**

Ndị odeakwụkwọ na ndị Farịsii bụ ndị náelezi anya nkeọma ihụ́ na ha naadị ndụ dịka omen’ala niile nke ndịokenye si dị. Ma okwu nke Chineke naakụzi na mmadụ gaabụ onye náekpere Chineke dịka àtụ̀mààtụ̀ Ya si dị. “Uzọ di nke ziri ezi n’iru madu, ma nsọtu-ya bu uzọ nile nke ọnwu” (Ilu 14:12). “Asi na ejim asusu di iche iche nke madu na nke ndi-mo-ozi nēkwu okwu, ma enweghm ihu-n’anya, aghọwom ọla nāra ara, ma-ọbu ájà ọla nāda ùdà. Asi kwa na enwerem onyinye ibu-amuma, mata kwa ihe-omimi nile na ihe-ọmuma nile, asi kwa na enwerem okwukwe nile, nke mere n’gēnwe ike ibubiga ugwu, ma enweghm ihu-n’anya abughm ihe ọ bula. Asi kwa na ewerem ihe nile m nwere zùa ndi-ogbenye, asi kwa na araram arum nye ka ewe rem ọku, ma enweghm ihu-n’anya, ọ baghm urù ọ bula” (I Ndi Kọrint 13:1-3). Onyinye niile ndịa dị ukwuu, ma ọ dịkarịrị mkpà ka mmadụ nwee ịhụn’anya nke Chineke nime obi ya.

Ọ dịghị otù ebe ọ bụla nime Okwu Chineke nke anyị nụrụ na Jisọs toro ndị Farisii maka ịbụ ndị eziokwu. Kama nke ahụ, O gosịrị ha mmehie na nnupụisi ha. Jisọs kpọrọ aha otù ebe, dịka ihe ịma atụ̀, otù ụzọ nke ha ejighị edebe iwu Ya. "Sọpuru nna-gi na nne-gi" (Ọpupu 20:12) bụ iwu nke ise, ma ndị Farisii agbanwewo ya. Ha kụziri naeme kwa ya eme na mmadụ ekwesighị ịsọpụrụ na ilekọta nne ya na nna ya anya ma ọ bụrụ na ọ gaenye ụlọ nzukọ ego dịka onyinye. Omen'ala ha gbanwere iwu nke Chineke ka ọbụrụ ihe efu (Mak 7:13). Náagụghị mgbanwe nke ha gbanwewere iwu ahụ, ha bụ kwa ndị gaaza ajụjụ n'iru Chineke, bụrụ kwa ndị agaekpe ikpé n'ihi nnupụisi ha. "Anya nke nākwa nna-ya emò, nke nēleda kwa iña nne-ya nti, ugolo-ọma nke ndagwurugwu gāghuputa ya umu-ugo gēri kwa ya" (Ilu 30:17). "Ma ọ buru na onye ọ bula ebugh uzọ chere ndi nke aka ya ihe nākpa ha, ma nke kachasi ndi èzí-na-ulo nke aka ya, ọ gọnariwo okwukwe ayi, jokari kwa onye nēkwegh ekwe ná njọ" (I Timọti 5:8).

**Ndị Náefè Òfùfè nke Egbugbereọnụ**

Jisọs kpọrọ ndị odeakwụkwọ na ndị Farisii "ndi-iru abua" n'ihi na ha abụghị ndị náefè ezi òfùfè. Aisaia kwuru okwu banyere ha mgbe ọ sịrị na ha naakpọ isiala nye Chineke n'egbugbereọnụ ha ma ọ bụghị site n'obi ha (Aisaia 29:13). Ha adịghị efè Chineke n'ihi na ha chọrọ, kama ha naeme nnọọ ememe nke òfùfè nrò n'ihi na ha aghaghị ime ya. Ụfọdụ mmadụ dị n'ụbọchị taa ndị náaga n'ụlọụkọ wee náeme omume niile nke anaeme n'òfùfè nke Chineke, ma ọ bụghị ezi òfùfè. Eleghịanya ha gaabụ̀ abụ niile ma gbusa kwa ikpere ha n'ala dịka agaasị na ha naekpe ekpere, ma obi ha adịghị n'òfùfè ahụ. Ọ bụ okpukpé efù. Chineke agaghị ege ha ntị, ọ dịghị kwa ezi ihe nke okpukpé ha naewetara ha. Chineke naele anya n'obi ọ bụghị n'ihe anya naahụ́ (I Samuel 16:7). Òlee otú ị si ekpere Chineke? – site n'obi gi ka ọ bụ náání ná egbugbereọnụ gị?

**Obi Emerụrụemerụ**

Ndị náesoụzọ Jisọs gwara Ya ka Ọ kọwara ha ihe ilu nke ndị ndú kpuruísì ahụ pụtara. Jisọs naegosi ha na ọ dịkarịsịrị mkpà inwe iwu niile nke Chineke nime obi karịa òzízí nke mmadụ n'ebe anaahụ́ anya. Mmehie nime obi naeweta échìchè niile jọrọ njọ, ori, aghụghọ, mpako, na enweghị uche (Mak 7:20-23).

Ụfọdụ ndị okpukpé naeri náání iheoriri olenaole dị icheiche; ma Jisọs sịrị na ọ bụghị ihe naaba n'ọnụ kama ọbụ site n'ihe mmadụ naekwu naegosi ma o nwere ịhụn'anya Chineke nime obi ya.

**Inyocha Obi**

Nime Jeremaia 17:9 anyị naagụ sị: "Obi di aghughọ kari ihe niile, ihe nādigh agwọta ka ọ bu kwa." Nyochaa obi gi lee ma ọ di mmehie ọ bụla maọbụ nnupụisi ọ bụla nke dị ya. Ọ bụrụ na ị rịọ Chineke Ọ ga enye gị obi ọhụụ, nime mmụọ Ọ gaewepụ kwa obi ochie nke mmehie (Ezikiel 36:26).

Devid onye odeabụ̀ kpereekpere sị "Gwuputa ala obim, Chineke, we mara obim, nānwam, we mara iche-uchem nile: hu kwa ma ọ di uzọ ọ bula nēweta ihe-ngbu di nimem durukwam n'uzọ ebigh-ebi" (Abù Ọma 139:23, 24). "Ka okwu nile nke ọnum na ntughari nke obim buru ihe nātọ utọ n'iru Gi, JEHOVA, bú oké nkumem, na Onye ngbaputam" (Abù Ọma 19:14).

Ka mmadụ wee nata ngọzi niile na ụwgọọlụ niile nke Chineke nwere inye ndị Ya, mmadụ ahụ aghaghị ịnọgide n'iwu niile nke Chineke karịa òzízí nke mmadụ. "Ayi aghagh ikweyere Chineke kari madu" (Ọlu Ndi-ozi 5:29).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Ọ bụghị ndị niile naefè òfùfè bụ ndị nke Kraist. N'ihi gịnị?
2. Gịnị ka mmadụ gaeme ka o wee bụrụ ezigbò onye Kraist?
3. Gịnị ka mmehie nke dị nime obi mmadụ naeweta?
4. Ọ̀ bụ gịnị pụrụ ịsachapụ mmehie ahụ?
5. Gịnị bụ̀ ihe náemerụ mmadụ?